# IGBO CATHOLIC COMMUNITY, NEW YORK,
# AT ANGELA MERICI PARISH, BRONX, NEW YORK.




## SUNDAY BULLETIN: FEAST OF CHRIST THE KING (YEAR B).
## NOVEMBER 24, 2024

**HYMNS:**

| | |
|---|---|
| ENTRANCE: | DINWENU ANYI BU EZE |
| OFFERTORY: | BIA JAA YA MMA/ONYINYE DI... |
| CONSECRATION: | EZI CHUKWU NARA AJA |
| COMMUNION: | BIA NARA RIE |
| POST COMMUNION: | CARRIBEAN MEDLEY |
| DISMISSAL: | N'ETINU MKPU OÑU |

**EKPERE MMEGHE**

Chineke puru ime ihe nile, Onyhe di ndu ebighi ebi. O soro Gi ime ihe nile ka o di ohuru n'ime Nwa Gi I huru n'anya, Onye bu Eze nke uwa nile. Biko were obi oma mee ka ihe nile ekere eke a zoputagoro n'igba ohu nke njo na-esekpuru ebube Eze Gi. Ka ha na-eto Gi akwusighi akwusi. Site na Dinwenu anyi Jesu Kristi Nwa Gi.

**IHE OGUGU NKE MBU ewetara n'Akwukwo onye amuma Daniel 7:13-14**

***Isi Okwu: O natara ike ochichi na ebube na-alaeze***

Ka m nokwa na-ahu ohu n'abali, ahuru m onye di ka Nwa nke Mmadu ka O si n'urukpu nke igwe na-abia. Mgbe O rutere na nke Onye Ahu na-adi site na mbu, e mere ka O guzoro n'ihu Ya. Onye ahu di ka Nwa nke Mmadu, natara ike ochichi na ebube na alaeze. Obodo di iche iche na agburu di iche iche na-asu asusu nile wee n'efe Ya. Ochichi Ya bu ochichi di ebighi ebi, nke a na-enweghi ike inapu Ya. Alaeze Ya bu nke na-anaghi emebi emebi.

Okwu nke Oseburuwa.
Ekele diri Chukwu.

O wee mee ka anyi buru alaeze nke juputara na ndi nchuaja, ndi ga na-efe Chineke nke Ya na Nna nke Ya. Ka ebube nile, na ike nile diri Ya, ebighi ebi ebighi ebi! Amen. O bu Onye ahu na-abia n'igwe ojii. Mmadu dum ga-ahu Ya. Ndi ahu mara Ya ube ga-esokwa hu Ya. Ebo nile di n'uwa ga-erukwara Ya uju. O bu ka o siri mee! Amen. Onyenweanyi Chineke kwuru si: "Abu M Isi Mbido na Isi Ngwucha. Onye ji ike nile ahu di ugbu a, Nke ahu dibu adi, na Nke ahu na-abianu."

**ABUOMA NA AZIZA YA 92:1-2.5 Az.1**

***Aziza: Dinwenu bu Eze. O yi ebube Eze ka uwe.***

1. Dinwenu bu Eze. O yi ebube Eze ka uwe. Dinwenu jiri ike kee onwe Ya n'ukwu. Aziza
2. O meela ka uwa kwuru chim, ghara inogharu n'onodu ya. Onyenweanyi, oche Eze Gi sitere na mgbe ochie guzosie ike. I na-adikwa adi tupuu oge o bula ebido. Aziza.
3. N'ezie, atumatu Gi kwesiri ntukwasi obi. Idi nso kwesiri ulo Gi. Onyenweanyi, otu a ka o ga-adigide ruo mgbe ebighi ebi. Aziza.

**IHE OGUGU NKE ABUO e wetara n'Akwukwo Mkpughe 1:5-8**

***Isi Okwu: Eze na-achi ndi eze dum no n'uwa, mee k'anyi buru ndi ga na-efe Chineke.***

Jesu Kristi bu Onye akaebe kwesiri ntukwasi obi, burukwa Onye mbu e siri na ndi nwuru anwu wee muo, na Eze na-achi ndi eze dum no n'uwa. O bu Onye ahu huru anyi n'anya, nke na O jiri obara Ya gbaputa anyi na njo.

Okwu nke Oseburuwa.
Ekele diri Chukwu.

**ALELUYA**

Aleluya, aleluya!! Ngozi diri Onye ritere alaeze nna anyi, David n'ekpe. Ngozi diri Onye biara n'aha Onyenweanyi. Aleluya!!!

**OZIOMA si n'Ozioma di aso nke John dere 18: 33-37**

***Isi Okwu: Gi onwe gi ekwuola na M bu Eze***

Pailet juru Jesu: “I bu Eze ndi Juu?” Jesu zara ya: “I na-ekwu nke a n’onwe gi, ka o bu na ndi ozo gwara gi okwu banyere M?” Pailet wee zaghachi: “Abu m onye Juu? O bu ndi ala gi na ndi isi nchuaja kpuuru Gi nyefee m n’aka. Gini ka I mere?” Jesu zara si: “Alaeze M abughi nke uwa a. A si na alaeze M bu nke uwa a, ndi M na-achi gaara-alu ogu, ka a ghara inyefe M n’aka ndi Juu. Ma otu o di, alaeze M abughi udi nke a.” Mgbe ahu, Pailet jukwara Ya si: “O putara na I bu eze?” Jesu zara si: “Gi onwe gi ekwuola na M bu Eze. Ihe e ji muo M, na ihe M ji bia n’uwa bu ka M gbaara eziokwu ahu akaebe. Onye o bula guzoro n’eziokwu na-anu olu M.”

Ozioma nke Oseburuwa.
Otito diri Gi, Kristi.

**EKPERE NHUNYE**

Dinwenu, anyi na-ehunyere Gi aja nke Nwa Gi jiri mee ka Gi na uwa dikwa na mma ozo. Anyi na-ario ka otu Nwa Gi ahu wetara uwa nile onyinye nke idiko n’otu na udo. Site na Kristi Onyenweanyi.

**EKPERE ANATACHAA ORIRI NSO**

Onyenweanyi, I nyela anyi nri nke ndu ebighi ebi. Anyi na-añuri iso iwu Kristi Onye bu Eze nke uwa nile. Biko mee ka anyi sorokwa binyere Ya n’añuri ebighi ebi n’alaeze eluigwe. Site na Kristi Dinwenu anyi.

# [FEAST OF CHRIST THE KING SUNDAY REFLECTION]

In most cultures, men are seen as the head of their families and they jealously guard and protect their authority and territory.  Women rule and are in charge in the domestic chores and kitchen and nowadays in so many places. The boss or superior at job exercise their authorities over their inferiors. Power and authority have so much energy that goes with them. Political leaders, politicians, presidents, and members of the parliament flex their muzzles in so many ways and in that sense make their importance and authority felt. The hierarchical structure of the Church defines her political leaning and inclination. These have both good and bad sides to them. Moderation and humble service is advocated. [virtuo statuo in medio] One basic factor is that all these power structures are transitory and transient but Christ's is eternal and forever.' But as it is, my kingdom is not here' He reigns in our lives and will determine the final destination of our souls at judgment. People who promote values that are in contrast to his principles will eventually come before his judgment seat. Daniel succinctly stated that: 'the one like a Son of man received dominion, glory, and kingship; all peoples, nations, and languages serve him. His dominion is an everlasting dominion that shall not be taken away, his kingship shall not be destroyed' [Dan7:14] May his kingdom reign in our homes and lives now and forever. JESUS IGWEEEEE, EZE NDI EZE' Mee Jesu Eze..



**Produced by ICC Choir**